Igboscholars International Journal of IGBO SCHOLARS FORUM, NIGERIA. Volume 16 No 1, February, 2023. ISSN: 2476-843x

# Echiche Ndịnime N'agụm aha Mmadụ N'ala Igbo

**Patrick Ik. Umezi**
**Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrika na Nzikọrịtaozi**
**Mahadum Nnamdị Azịkiwe, Ọka**
pi.umezi@unizik.edu.ng **08063883811**

## Ụmịedemede

Nchọcha a bụ maka Echiche ndịnime n'agụm aha mmadụ n'ala Igbo. Ihe nwa nchọcha bu n'uche bụ ịchọpụta echiche miri emi dị n'aha ndị Igbo na-agụ mmadụ. Atụtụ a gbasoro na nchọcha a bụ atụtụ echiche Park (2010). Mgbe e mechara nchọcha a, a chọpụtara na ndị Igbo nwere echiche miri emi dị n'aha dị iche iche ha na-agụ mmadụ. Ya bụ na e nwere ihe ndị kpatara ha ji agụ mmadụ aha dị iche iche. Echiche ndị a sitere na nghọta ndị igbo nwere n'oge ochie nakwa n'oge ugbu a banyere ndụ nakwa ụwa ha nọ n'ime ya. Ụfọdụ ihe ndị ahụ gụnyere: Ịgụ oge, nkwenye na ihe ndị mere mmadụ

## Abstract

This paper is about the inner meaning of Igbo names. The researcher intends to find out the inner meaning hidden in the names Igbo people give to their children. The research was guided by Meaning theory of Park (2010). At the end of the research, it was discovered that there are hidden meanings in the names Igbo people take. That is there are a number of things that prompt the Igbo people to give their children various names. The names arose out of their understanding of life, the universe and things therein. This is summarized in time counting, belief and human experience.

## Ndubanye

Ịgụ aha bụ ihe bidoro n'oge ụwa malitere. A bịa n'akwụkwọ nsọ, n'akwụkwọ mbido, mgbe Chukwu kechara mmadụ, (Nwoke na nwaanyị ) o nyere ha ikikere ịgụ ihe niile dị n'ụwa aha. Ọ bụ n'ikikere a Chukwu nyere mmadụ ka e ji nyewe ihe niile dị n'ụwa aha. Ya bụ ịgụ aha bụ omenaala dị n'akụkụ ụwa niile. Agbụrụ ọ bụla na mba ọ bụla nwere ihe ndị ha na-agbado ụkwụ na ya wee na-agụ aha. Ndị Igbo bụ agbụrụ na-echemi echiche ime tupu ha agụọ ihe ọ bụla aha. Nke a mere na aha ọ bụla ndị Igbo nyere ihe ọ bụla na agwa ihe ahụ na-eyite.

A bị a n'ebe o si metụta mmadụ, akụkụ ụwa ọ bụla nwere usoro ha na-agbaso n'ịgụ mmadụ aha. A bịa n'ala Igbo, ndị Igbo ejighi mmadụ egwu egwu. Nke a mere na e nwere usoro ha na-agbaso n'ịgụ mmadụ aha; ma nwekwaa ndị ọ bụ ọrụ ha ịgụ mmadụ aha. Ọtụtụ ebe n'ala Igbo, a na-agụ nwata aha n'abalị asatọ e jiri mụọ ya. Mgbe ọ bụla onye Igbo na-agụ nwa ya aha, ọ na-enwe ihe ndị na-akpalite ya iji nye nwata ahụ aha ọ ga-aza. Ya bụ na aha ndị Igbo anaghị abịa na nkịtị. Ọ na-enwe echiche miriri emi.

Ụfọdụ ndị mmadụ emeela nchọcha n'ụzọ dị iche iche n'ebe o si metụta agụm aha n'omenaala Igbo. Ka o sila dị, o nwebeghi onye merela nchọcha pụtara ihe n'echiche ndịnime n'agụm aha mmadụ n'ala Igbo. Ọ bụ nke a mere nwa nchọcha ji chọọ ka ọ bagide nchọcha a. Ebumnobi nwa nchọcha bụ ịchọpụta echiche miri emi nke dị n'aha dị iche iche ndị Igbo na-agụ mmadụ.

Nchọcha a ga-agbaso usoro mmetụta ahụ; nke gụnyere ịgụ akwụkwọ dị iche iche nakwa ịgba ajụjụ ọnụ iji nweta ụsa bụ eziokwu. Nke a ga-eme ka nchọcha a bụrụ ọkaibe. Nchọcha a ga-aba uru n'ebe ọ dị ukwuu; maka na ọ ga-enye aka ịmata echiche miri emi dị n'aha dị iche iche ndị Igbo na-aza, nakwa ihe ndị kpatara ha ji aza aha ndị ahụ.

**Nkọwa ọkpụrụkpụ Okwu dị n'isiokwu**

Iji hụ na nchọcha a gara n'ihu dị ka o si kwesi, ọ dị mkpa ka a kọwaa ụfọdụ ọkpụrụkpụ okwu ndị mewere nchọcha a. Ọkpụrụkpụ okwu ndị pụtara ihe na ya bụ ndị a: Ala Igbo, echiche, na aha.

**Ala Igbo**

Ọtụtụ ndị mmadụ kọwara ndị Igbo n'ụzọ dị iche iche site na nsirihụ dị iche iche. nwa nchọcha ga-eleba anya na nkọwa ndị ahụ.

Ugochukwu (2019) sị na ndị Igbo bụ ndị si na steeti Anambra, Enugu, Imo, Owerri, Abịa, Ebonyi, na ala ụfọdụ na steeti Delta na Rivers, ndị asụsụ ala nna ha bụ Igbo. N'otu aka ahụ Onwuejeogu (1981) kwuru na ala Igbo sitere n'Agbo na Kwele nke steeti Delta wee gbadaa Ahoada, Diobu na Umuabayi dị na mpaghara Port Harcourt. Ọ gafekwara Arọchukwu nke dị na steeti Abịa ruo Afikpo na Isiagụ nke dị na mpaghara Abakariki gbagoo Enugwu-Ezike nke dị na mpaghara Nsụkka, ma gafekwaa Ebu nke ala Igbo Ofesi Naịja. Nkọwa ya na-egosi na ọ bụ ndị Igbo mejupụtara steeti Anambara, Imo, Owerri, Ebonyi, Enugu, Abịa na mpaghara ụfọdụ na steeti Delta, Akwa Ibom na Rivers.

Nwadike (2002) sị na Igbo na-egosi ndị ndị Igbo mụrụ, nke abụọ, ọ na-egosi oke ala ndị Igbo; nke atọ bụ na ọ na-egosi asụsụ ndị Igbo na-asụ. Site na nkọwa ya, ọ pụtara na onye bụ onye Igbo bụ onye onye Igbo mụrụ, n'agbanyeghị n'ebe ọ nọrọ mụọ ya. Ala Igbo pụtara okere ala ndị Igbo nwe ma biri na ya; ebe asụsụ Igbo bụ asụsụ ndị Igbo na-asụ .

Eme na Nkamigbo (2009) gbadoro ụkwụ n'echiche Nwadike wee kọwaa na ihe e ji akpọ ndị Igbo ndị Igbo bụ maka na asụsụ ha bụ asụsụ Igbo. Nkọwa ha na-ekwu na ọ bụ asụsụ

ka e ji ama agbụrụ ọ bụla. Ihe ọ pụtara bụ na agbụrụ ọ bụla tụfuru asụsụ ha, mara na agbụrụ ahụ anwụọla.

Nsolibe (2017) Kọwara ndị Igbo dị ka ndị bi na mgbadaugwu Naịjiria, asụsụ ha bụ asụsụ Igbo, omenaala na agụmagụ ha bụ nke ndị Igbo.

N'ịga n'ihu, Umezi (2021) kọwara ndị Igbo dị ka ndị nna ha bụ ndị Igbo n'agbanyeghi ebe ha bi ma ọ bụ ebe a nọrọ mụọ ha.

Nkọwa ndị niile e mere gbasara ndị Igbo na ala Igbo dabachara adaba; mana dị ka o si metụta nchọcha a, nwa nchọcha na-akọwa ndị Igbo dị ka agbụrụụ ndị isi ojii ndị bi n'ọwụwa anyanwụ mgbago ugwu Naịjiria dị ka be nketa ha; echiche ha na nkwenye ha na-apụta ihe n'usoro obibi ndụ ha.

**Echiche**

Pinker (2008) kọwara echiche dị ka atụmatụ ma ọ bụ ịchịkọta ọtụtụ atụmatụ nke ga-eme ka a chịgharịa mmụọ maka otu ihe ma ọ bụ nke ọzọ. Nkọwa Pinker na-ahụta echiche dị ka ihe dị omimi. Ihe ọ na-egosi bụ na echiche anaghị adị n'agbaelu mgbe niile. Ya bụ na tupu mmadụ amata echiche ihe ọ bụla nwere, onye ahụ ga-achịgharị mmụọ ya nke ọma iji chọpụta ihe ọ bụ kpọm kwem.

Caianiello (1961) n'aka nke ya, hụtara echiche dị ka ịnọdụ na mmụọ maka otu ihe ma ọ bụ ilegara otu ihe anya, ịtụ alo; ma ọ bụ atụmatụ gbasara otu ihe ma ọ bụ nke ọzọ. Na nkọwa Caianiello, echiche bụ ihe na-esi n'ime mmadụ apụta mgbe onye ahụ banyere n'ime onwe ya.

Umezi (2017) sị na echiche bụ mmadụ ịbanye n'ime onwe ya wee chịgharịa uche gbasara gburugburu ya nakwa ihe ndị ọzọ metụtara ya. Nkọwa ya na-ahụta echiche dị ka ihe si n'akọ mmadụ apụta. Ihe ọ pụtara bụ na tupu ihe ọ bụla enwee

echiche kwesiri ya, ọ dị mkpa na e nyochara nke ọma iji hụ na e nyere ya echiche bụ ọkaibe.

Ka o sila dị, dị ka o si metụta nchọcha a, nwa nchọcha na-akọwa echiche dị ka mpụtara ihe ọ bụla dị ka ndị si na gburugburu ebe ihe ahụ dị si ahụta ya.

**Aha**

Emenanjọ (1991) sị na aha na-ezipụta ihe a bara mmadụ, obodo, mba, ala, na ihe ndị ọzọ ma e nwere ike ịhụ ha anya ma e nweghi ike ịhụ ha anya, ma e nwere ike imetụ ha aka ma e nweghi ike imetụ ha aka.

Dị ka o si metụta ncchọcha a, nwa nchọcha na-akọwa aha dị ka ihe e ji mara onye ma ọ bụ ihe ọ bụla nke sitere n'echiche miri emmi ndị nyeere ya aha ahụ chere.

**Nchọcha e merela n'ihe yitere isiokwu**

Umezi (2017) mere nchọcha na nnwemagba asụsụ nye echiche na nsirihụ ndị Igbo. Ebumnobi ya bụ ịchọpụta etu asụsụ si nwe agba n'ebe echiche dị. Ọ chọpụtara na etu ndị Igbo si agụ ihe aha gosiri na asụsụ nwere agba n'ebe echiche dị. Nchọcha Umezi bara uru nke ukwuu, maka na o nyere aka iji ghọtawanye ebe asụsụ na echiche si metụta nakwa ebe ha si dị iche. Nchọcha ya yitere nchọcha a, maka na ha abụọ rụtụrụ aka n'echiche. Ka o sila dị, nchọcha ya dịwaga iche na nchọcha a, maka na nchọcha ya bụ maka ịchọpụta etu asụsụ si nwe agba n'ebe echiche nọ; mana nchọcha a bụ maka ịchọpụta echiche ndịnime dị n'aha ndị Igbo na-agụ mmadụ. Ya bụ na nchọcha Umezi egboghi nsogbu nchọcha a.

Meng na Dillon (2014) mere nchọcha iji chọpụta mmetụta echiche na akparamagwa ndị mmadụ nke na-ahịa ahụ mgbanwe. Ha chọpụtara na akparamagwa ndị mmadụ na-apụta ihe etu ha si ahụta ma na-aghọta ụwa ha nọ n'ime ya. Nchọcha ha bara uru nke ukwuu maka na o mere ka a mata etu echiche

ndị mmadụ nwere banyere ụwa si apụta ihe n'akparamagwa ha. Nchọcha ha yitere nchọcha a maka na ha abụọ na-arụga aka n'echiche. Ha abụọ dịwaga iche, maka na nchọcha Meng na Dillon bụ maka ịchọpụta mmetụta echiche na akparamagwa; ebe nchọcha a bụ ịchọpụta echiche ndịnime dị n'aha ndị Igbo na-agụ.

N'ịganihu, Janoff-Bulman (1992) mere nchọcha maka echiche dị ka o si metụta ihe mere na ndụ mmadụ. Ọ chọpụtara na ihe mmadụ chepụtara n'echiche na-abụ etu onye ahụ si ahụta ụwa. Echiche mmadụ nwere ike ịgbanwo oge ọ bụla site n'etu onye ahụ si hụta ụwa n'ọdịnihu site n'ihe ndị mere na ndụ ya. Nchọcha ya bara uru nke ukwuu maka na o mere ka a mata etu ihe na-eme n'ụwa si agbanwo echiche mmadụ na etu onye ahụ si ahụta ụwa. O yitere nchọcha a, maka na ha abụọ na-ekwu maka echiche dị ka o si metụta nghọta mmadụ. Ọ dịwagakwa iche n'ebe nchọcha a dị maka na ọ gbadoro ụkwụ n'echiche dị ka o si metụta ihe mere mmadụ; ebe nchọcha a bụ maka echiche ndịnime n'agụm aha mmadụ n'ala Igbo.

Wong (2012b) mere nchọcha iji chọpụta ọnọdụ echiche n'uche mmadụ. Ọ hụtara echiche dị ka mma ihu abụọ. Ọ chọpụtara na ihe ndị mejupụtara echiche bụ: mkpatara, nghọta, ọrụ, na nnyocha. Mkpatara na-egosi echiche dị ka ihe na-akpata ihe ji eme. Ọ gụnyere ebumnuche na uru. Ya bụ na ọ na-elegara anya n'imejupụta ihe e bu n'uche n'ọdịnihu. N'otu aka ahụ, nghọta metụtara echiche dị ka o si metụta nsinụbụrụ. Ọrụ metụtara omume dị ka o si metụta akọnuche mmadụ na ndụ inwere onwe ya. Nnyocha metụtara echiche dị ka o si metụta ndụ ime mmụọ. Nchọcha Wong bara uru nke ukwuu maka na o mere ka a mata alaka dị iche iche dị n'echiche. Ihe ọ pụtara bụ na echiche nwere akụkụ dị iche iche e si ahụta ya. Nchọcha ya na nchọcha a yitere maka na ha abụọ na-arụtụ aka n'echiche n'ụdị nke ha. Ha dịwagakwa iche n'ebe onwe ha dị; maka na nchọcha Wong na-akọwa maka echiche na nsirihụ dị

iche iche; ebe nchọcha a bụ maka ịchọpụta echiche ndịnime dị n'aha ndị Igbo na-agụ mmadụ.

Ogwudile (2003) mere nchọcha n'ike na ebube dị n'aha mmadụ. Ọ chọpụtara na a bịa n'agbụrụ niile dị n'ụwa, ndị mmadụ nwere ihe dị iche iche na-akpalite ha ha ji aza aha dị iche iche ha na-aza. Ya bụ na o nwere echiche dị n'aha ọ bụla ndị mmadụ na-aza. Nchọcha ya bara uru nke ukwuu, maka na o nyere aka wepụta echiche dị n'aha ndị mmadụ na-aza. Ya na nchọcha a yitere, maka na ha abụọ na-arụga aka n'aha dị iche iche ndị mmadụ na-aza. Ka o sila dị, ha abụọ dịwaga iche n'ebe onwe ha dị maka na nchọcha Ogwudile gbadoro ụkwụ n'ike na ebube dị n'aha ndị mmadụ na-aza, ebe nchọcha a bụ maka echiche ndịnime n'aha ndị Igbo na-agụ mmadụ.

Ochanya (2017) n'aka nke ya mere nchọcha maka ịgụ aha n'omenaala Igbo dị ka o si metụta Onicha Ado n'idu. Ọ chọpụtara na a bịa n'ala Igbo, aha mmadụ abụghị naanị ihe e ji ama mmadụ. O nwere ozi dị iche iche aha mmadụ na-ezipụta nye ọhaneze. Ọ bụ ya ka aha mmadụ ji ezipụta echiche dị iche iche na-apụta n'ụdị akụkọ, ihe mere mmadụ na ndụ, nakwa ihe mmadụ na-arịọ ka Chineke mere ya. Ya bụ na ndị Igbo na-esite n'ịgụ aha egosi nkwenye ha nwere banyere ndụ nakwa ụwa ha hụrụ onwe ha na ya. Nchọcha ya bara uru maka na o nyere aka n'ịkọwapụta echiche ụfọdụ dị n'aha ndị Igbo na-agụ mmadụ. Ya na nchọcha a yitere, maka na ha abụọ na-arụtụ aka n'echiche dị n'aha ndị Igbo n'agụ mmadụ. N'agbanyeghi nke a, ha abụọ dịwagakwa iche; maka na nchọcha Ochanye lebara anya n'etu e si agụ aha n'ala Igbo, ebe nchọcha a bụ maka echiche ndịnime n'aha ndị Igbo na-agụ mmadụ.

## Nchịkọta Ntụleghari Agụmagụ

Site n'agụmagụ ndị a nwa nchọcha tụlere, a chọpụtara na ọtụtụ ndị mmadụ agbaala mbọ mee nchọcha ma detuo ọtụtụ ihe banyere echiche na ịgụ aha n'ala Igbo. Ka o sila dị, o nwebeghi onye merela nchọcha n'isiokwu a bụ "Echiche ndịnime n'agụm

aha mmadụ n'ala Igbo". N'ihi nke a, nwa nchọcha ga-aga n'ihu n'ime nchọcha ya.

**Atụtụ Nchọcha**

Atụtụ nchọcha a ga-agbado ụkwụ na ya bụ atụtụ echiche Park (2010). Ọ bụ C.I. Park tụpụtara atụtụ a n'afọ 2010. Atụtụ a na-akọwa na ọ bụ echiche izugbe bụ ihe na-akpalite ma na-enye nghọta banyere ndụ, ụwa na ihe niile dị na ya. Ọ na-akọwa na echiche izugbe metụtara nkwenye, ihe nlegara anya, na ebumnobi. Nkwenye gụnyere ekpmekpe na adịmasọ nke alaka ya bụ ikpe nkwụmọtọ, ọchịchị onwe, na ihe ịga n'usoro. Ihe nlegara anya metụtara ihe ndị a na-atụ anya ga-apụta n'ikpeazụ ma ọ bụ ịgba mbọ nweta ihe a na-atụ anya ya. A bịa n'ebumnobi, atụtụ a na-ahụta echiche dị ka o si metụta ihe mmadụ na-eme na ndụ ya iji hụ na o nwetara ihe bụ ọchịchọ obi ya. Atụtụ a na-akọwa na echiche izugbe na-amalite n'ihe mere mmadụ na nwata wee na-eto site n'ihe ndi na-emegasị na ndụ onye ahụ.

Atụtụ a ga-adaba nke ọma na nchọcha a maka na echiche ndị Igbo gbadoro ụkwụ n'ihe ndị merela na ndụ ha. Ọ bụ ha kpatara etu Igbo si ahụta ụwa na ihe ndị na-eme n'ụwa.

**Nchọpụta**

Site n'ihe ndị a chọpụtara mgbe a na-eme nchọcha a, a bịa n'echiche ndịnime n'aha ndị Igbo na-agụ mmadụ, echiche ndị Igbo gbara mkpị dị ka o si metụta ọnọdụ ndị Igbo na mgbenwe batarala na ya site n'oge ochie ruo n'oge ugbu a. Ya bụ na ntụcha nchọpụta nchọcha a ga-agbado ụkwụ n'ihe abụọ ndị a:

1) Echiche ndị Igbo n'oge ochie
2) Echiche ndị Igbo n'oge ugbu a

**1) Echiche ndị Igbo n'oge ochie**

Tupu ọbịbịa ndị ọcha n'ala Igbo, ndị Igbo nwere nghọta ha nwere banyere ndụ, ụwa na ihe ndị ọzọ dị iche iche. Nghọta ndị a nwere mmetụta pụrụ iche n'ebe ndị Igbo nọ. Nke a pụtara ihe n'etu ha si agụ aha n'oge ahụ. Ya bụ na aha ndị Igbo na-agụ anaghị enwe naanị echiche agba elu. Ha na-enwe echiche ime nke a na-eji ha ezipụta. Ihe ọ pụtara bụ na ndị Igbo na-eji aha ha na-agụ mmadụ ezipụta ihe ndị a:

a. Igụ oge
b. Nkwenye
ch. Ihe ndị mere mmadụ

## Ịgụ Oge

Ịgụ oge bụ ihe e jiri mara ndị Igbo bido n'oge ochie ruo n'oge ugbu a. A bịa n'oge ochie, tupu ọbịbịa ndị ọcha, ndị Igbo nwere ụbọchị anọ mewere izu, izu asaa mewere ọnwa, na ọnwa iri na atọ mewere afọ. A bịa n'ụbọchị ọ bụla, e kere ya ụzọ atọ: ụtụtụ, ehihie na abalị. Ọ bụ nke a bụ awa n'ọgụgụ oge ndị Igbo. N'oge ahụ, ndị Igbo amaghị etu e si ede ihe, nke ha na-ama etu e si agụ ihe e dere ede. Ya bụ na asụsụ Igbo bụ naanị n'ogo asụmasụ ka ọ nọ. Nke a mere na ndị Igbo enweghi ike idetu ihe ọ bụla merenu n'akwụkwọ iji lote ya n'ọdịnihu. Ọ bụ nke a mere na ndị Igbo enweghi ike idetu ụbọchị a mụrụ nwata ọ bụla iji hụdo ama kpọm kwem ụbụchị a mụrụ nwata ahụ maka ọgụgụ oge na ndụ nwata ahụ. N'ihi nke a, ha na-eji ịgụ aha wee ahụdo ụbọchị a mụrụ nwata ọ bụla ama. Nke a mere na a bịa n'usoro agụm aha ndị Igbo n'oge gboo, aha ahịa anọ a na-apụtakarị ihe. N'ọnọdụ dị etu a, a na-agụ nwoke a mụrụ aha dị etu a:

Nwoke a mụrụ ụbọchị Afọ ka a na-agụ Okeafọ ma ọ bụ Nwafọ

Nwoke a mụrụ ụbọchị Nkwọ ka a na-agụ Okonkwọ ma ọ bụ Nwankwọ

Nwoke a mụrụ ụbọchị Eke ka a na-agụ Okeke ma ọ bụ Nweke

Nwoke a mụrụ ụbọchị Orie ka a na-agụ Okorie ma ọ bụ Nwaorie

N'otu aka ahụ, etu a ka e si agụ ụmụ nwaanyị aha nke ha dị ka o si metụta ahịa anọ e nwere:

Nnwaanyị a mụrụ ụbọchị Afọ ka a na-agụ Mgboafọ

Nnwaanyị a mụrụ ụbọchị Nkwọ ka a na-agụ Mgbonkwọ

Nnwaanyị a mụrụ ụbọchị Eke ka a na-agụ Mgbeke

Nnwaanyị a mụrụ ụbọchị Orie ka a na-agụ Mgborie

N'ịga n'ihu, ịgụ aha dị ka o si metụta ịgụ oge n'ala Igbo n'oge ochie metụtakwuaziri emume ma ọ bụ oriri dị iche iche. Oriri ndị a na-abụkarị oriri arụsị n'ogo dị iche iche. Ya bụ, ụfọdụ oge nwaanyị mụọ nwa n'oge a na-eri oriri dị etu a, ọ na-agụ nwata ahụ aha arụsị ahụ iji lota na oge a mụrụ nwata ahụ bụ oge a na-eri oriri arụsị ahụ. Ọ bụ nke a mere ụfọdụ aha mmadụ jiri bụrụ aha arụsị dị ka, Akwarị, Udo, Ngene, Ogwugwu, Ọkpala wdg.

**Nkwenye**

Echiche ndị Igbo n'agụm aha na-agbadokwuazị ụkwụ na nkwenye dị iche iche ha nwere. Nkwenye ndị a na-agbadokarị ụkwụ n'ekpemekpe dị iche iche. N'oge ochie, tupu ọbịbịa ndị ọcha n'ala Igbo, otu ekpemekpe dị n'ala Igbo bụ ịgọ mmụọ. Ya bụ na ndị Igbo kwenyere n'arụsị dị iche iche na na mmụọ dị iche iche n'oge ahụ iji nweta nchekwa n'ebe ndị iro ha nọ. Ebe ọ dị etu a, ụfọdụ na-ewere nwa ha gọọrọ arụsị ma ọ bụ mmụọ dị iche iche site n'ịgụ nwata ahụ aha na-egosi na arụsị ma ọ bụ mmụọ ahụ ga na-echekwa ya. Ọ bụ ya kpatara e ji enwe ụdị aha dị etu a: Nwaudo, Nwaakwarị, Nwaagwụ, Nwammụọ, wdg. Aha ndị a na-ezipụta echiche ha nwere na arụsị ma ọ bụ

mmụọ ndị a ga na-echekwa ụmụaka dị etu a. Ọ bụ ụdị echiche dị etu a ka ndị Igbo nwere n'oge ochie.

**Ihe Ndị Mere na Ndụ Mmadụ**

Ọnya laa, apa ya anaghị ala. Ndị Igbo kwenyere na nnukwu ihe mere mmadụ na-adị n'echiche ya mgbe niile. Nke a na-apụta ihe oge ha na-agụ ụmụ ha aha. Ụfọdụ n'ime ihe ndị ahụ bụ ihe ndị metụtara ọnwụ na ndụ, abụmoke na abụmnwunye, ọnọdụ akụnaụba wdg.

**Ọnwụ na Ndụ**

Ndị Igbo kwenyesiri ike na ndụ kacha ihe niile. Ọ bụ nke a ka ha ji agụ aha iji gosi ihe mere na ndụ ha dị ka o si metụta ọnwụ na ndụ. Ụfọdụ n'ime aha ndị ahụ bụ Ndụkakụ, Ndụbụisi, Ndụbụeze, wdg. Ha na-arụtụ aka ma na-akọwa etu ndị Igbo si buwe ndụ mmadụ ụzọ karịchaa ihe ndị ọzọ mmadụ nwere ike inweta.

A bịa n'aha ndị a, Ndụkakụ na-egosi na ndụ mmadụ karịrị akụnaụba nke ụwa. A ga-agba mbọ nwetagodu ndụ tupu a chọwa akụnaụba. N'otu aka ahụ, Ndụbụeze na-egosi na ọ bụ ndụ na-achị ihe niile gbara mmadụ gburugburu. E wepu ndụ, o nweghi ihe mmadụ pụrụ ime. Ndụbụisi na-ekwukwa otu ihe ahụ. Ọ na-akọwa na ndụ bụ isi ihe niile mmadụ bụ na ihe mmadụ na-eme.

Aha ndị a na-ezipụta mkpa ndụ mmadụ dị n'ebe ndị Igbo nọ. Mgbe ndị Igbo na-agụ aha ndị a, ọ na-egosi ihe mere mmadụ mana o metụtaghị ndụ ya. Ndụkakụ nwere ike bụrụ onye tụfuru ọtụtụ akụnaụba nke ụwa, mana ọ tụfughi ndụ ya. N'otu aka ahụ ka ọ dịkwa Ndụbụeze, Ndụbụisi nakwa aha ndị ọzọ dị etu ahụ.

N'ịga n'ihu, ọnwụ bụ ọnọdụ ndị Igbo na-akacha ezipụtara mwute. Nke a na-apụta ihe n'ọtụtụ aha ha na-agụ ụmụ ha iji zipụta ihe ndị merela na ndụ ha n'otu oge ma ọ bụ nke

ọzọ. A bịa n'ọnọdụ dị etu a, ha na-ezipụta ihe dị iche iche gbasara ọnwụ. Nke mbụ, ndị Igbo na-agụkwa ụmụ ha aha iji gosi etu ọnwụ si dị obi ọjọọ. Ụfọdụ n'ime aha ndị ahụ bụ Ọnwụdịiwe, Ọnwụdịnjọ, Ọnwụatụegwu wdg.

Ndị Igbo na-agụkwa aha iji gosi na onye ọ bụla bịara n'ụwa ga-anwụrịrị anwụ. Nke a na-apụta ihe site n'aha ndị a: Ọnwụatụegwu, Ọnwụamaeze, Ọnwụnaeche wdg. Ha na-agụkwuazi aha iji gosi na ọ bụ eziokwu na onye ọ bụla bịara n'ụwa ga-anwụ anwụ, o nweghi onye ọnwụ na-atọ ụtọ. Onye ọ bụla chọrọ ịnọ ogologo ndụ. Ha na-egosipụta nke a site n'ịgụ aha dị etu a: Ọnwụchekwa, Ọnwụahụna, Ọnwụegbuna wdg. N'otu aka ahụ, ndị Igbo na-agba mbọ ịzọta ndụ mgbe mmadụ nọ n'etiti ọnwụ na ndụ. Ụfọdụ oge, onye ahụ nwere ike nwụọ n'agbanyeghi mbọ niile ndị mmadụ gbara ka onye ahụ dịrị ndụ. Nke a na-ebute ịgụ aha dị etu a: Ọnwụemerie, Ọnwụka, Ọnwụma wdg.

**Abụmoke/Abụmnwunye**

Abụmoke na abụmnwunye bụ ihe ntụ pụtara ihe nke ukwuu n'ogo dị iche iche na ndụ ndị Igbo bido n'oge ochie ruo n'oge ugbu a. N'oge ochie, ndị Igbo na-elelị nwaanyị anya nke ukwuu. Ụfọdụ oge ha na-enye onye mụtara naanị nwaanyị na onye amụtaghị nwa otu ọnọdụ. Nke a bụ maka na ha na-ewe ya na onye mụtara nwaanyị amụtaghị nwa. Ihe ndị a na-apụta ihe n'aha ha na-agụ. Ụfọdụ oge ha na-agụ aha iji gosi na nwoke dị mkpa karị a nwaanyị. Ụfọdụ n'ime aha ndị ahụ bụ Nwokeka, Nwokedike, Nwokeabịa wdg.

N'aka nke ọzọ, ụfọdụ oge ụfọdụ ụmụ nwaanyị na-achọkwuazi igosi na nwaanyị bụ mmadụ Chineke kere; maka na ọ bụ na nwaanyị ka nwa si apụta. Nwaanyị nwekwara ike ime ụfọdụ ihe n'ụwa nke ọma karịa etu nwoke ga-esi mee ya. Ha na-ezipụta nke a site n'ịgụ ụfọdụ aha dị ka Nwaanyịbụnwa, Nwaanyịbụihe, Nwaanyịdkwa wdg.

**Ọnọdụ Akụnaụba**

Ụfọdụ oge, ndị Igbo na-eji aha ha na-agụ ezipụta echiche ha n'ihe gbasara ọnọdụ akụnaụba. Nke a na-egosi ọnọdụ ha dowere akụnaụba nke ụwa a. Nke a na-apụta ihe n'echiche ha na nsirihụ dị iche iche. Ndị Igbo na-agụ aha iji gosi na o nwere ihe ndị karịrị akụnaụba nke ụwa. Ụfọdụ n'ime aha ndị ahụ bụ Nwakaego, Ndụkaakụ, Mmadụkakụ wdg. Aha ndị a na-egosi na akụnaụba nke mmadụ abụghị ya kacha ihe niile.

N'otu aka ahụ, ha na-egosikwa na akụnaụba nke ụwa abụghị naanị ego na ihe enwunwe ndị ọzọ dị ka ụfọdụ mmadụ si eche, mana ndụ mmadụ na ihe ndị ọzọ sokwa n'akụnaụba Chineke ji agọzi ndị mmadụ. Nke a na-apụta ihe site n'aha dị etu a: Nwabụakụ, Ndụbụakụ, Akụkananwa, Akụbụugwu wdg.

N'ịga n'ihu, n'agbanyeghi na ndị Igbo ebuweghi akụnaụba nke ụwa ụzọ n'ihe niile ha na-eme, ha na-egosipụtakwa na akụnaụba dị mkpa na ndụ mmadụ. Nke a na-apụta ihe n'aha ndị a: Akụbụmma, Akụka, Akụamaka, Akụkarịa, wdg.

Ọzọ kwa, ha na-egosi na n'agbanyeghi na akụnaụba nke ụwa dị mma, ụfọdụ oge ọ na-ebute esemokwu na ọdachi dị iche iche. Nke a na-apụta ihe n'aha ụfọdụ ha na-agụ, dị ka: Akụbụilo, Akụnaeseokwu, wdg.

Ndị Igbo na-egosikwa na akụnaụba nke ụwa anaghị anọgide n'otu ebe. O nwere ike ịbata oge ọ bụla nwekwaa ike ịpụ oge ọ bụla. Ya bụ na onye bụ ọgaranya taa nwere ike ịbụ ogbenye echi. N'otu aka ahụ, onye bụ ogbenye taa nwekwara ike ịbụ ọgaranya echi. Nke a na-apụta ihe n'ụfọdụ aha dị ka: Akụenwebe, Akụnagagharị , Akụasọanya wdg.

**Echiche Ndị Igbo n'Oge Ugbu a**

Oge na ọnọdụ ụwa na-emetụta omenaala, usoro obibi ndụ na nkwenye dị iche iche. Nke a na-emetụta echiche ndị mmadụ nwere banyere ụwa na ihe ndị na-eme n'ime ya.

A bịa n'ala Igbo, omenaala na usoro obibi ndụ n'oge ugbu a abụghị etu ọdị n'oge ochie. Tupu ọbịbịa ndị ọcha n'ala Igbo, nghọta ndị Igbo nwere banyere ụwa gbadoro ụkwụ n'ihe ndị na-eme n'okirikrir ala Igbo. Nke a bụ maka na ndị Igbo na ndị mba ọzọ enwebeghi mmetụta. Ọzọ kwa, e nwebughi ekpemekpe ndị ọzọ dị iche iche n'ala Igbo dị ka ọ dị taa ma e wezụga ekpemekpe metụtara omenaala Igbo dị ka ife arụsị na mmụọ ndị ọzọ dị iche iche.

Ka o sila dị, ọbịbịa ndị ọcha mere ka ndị Igbo na ndị mba ọzọ nwee mmetụta n'ụzọ dị iche iche. Mmetụta dị etu a mere ka e nwee mgbanwo n'echiche na nghọta ndị Igbo. O mekwuaziri ka ọnụọgụ ekpemekpe dị n'ala Igbo bawanye.

Ebe ọ dị etu a, echiche ndịnime dị n'aha ndị Igbo na-agụ mmadụ gbanworo site etu ọ dị n'oge gboo. Ya bụ na a bịa n'oge ugbu a, echiche ndịnime dị n'aha ndị Igbo pụtakewere ihe na nkwenye na ihe mere na ndụ mmadụ

**Nkwenye**

Ọbịbịa ndị ọcha n'ala Igbo wetara nkwenye ọhụrụ nke gbadoro ụkwụ n'ekpemekpe ndị otu Kristi. Nke a bịara na-agbasa, nke mere na ife arụsị, bụ ihe dịbu n'ala Igbo, bidoziri na-anyụ ka ọkụ a wụrụ mmiri. Ọ bụ ya mere ka echiche na nghọta ndị Igbo nwere banyere ndụ, ụwa na ihe ndị ọzọ dị iche iche gbanwoo. Ka ọ dị etu a, echiche ndịnime n'aha ndị Igbo na-agụ mmadụ dị ka o si metụta nkwenye ha nwere gbanworo. Aha ndị ahụ na-egosizi na ihe niile dị Chukwu n'aka. Ụfọdụ n'ime aha ndị ahụ bụ Chukwudị , Chukwuka, Ngọzichukwuka, Chijindụ, Okwuchukwu wdg

N'ịga n'ihu, site n'ekpemekpe nke ọgbara ọhụrụ, ndị Igbo na ndị mba ọzọ dị iche iche nwere mmetụta n'ụzọ dị iche iche. Nke a mere ka ndị Igbo malite gụwa ụmụ ha aha ndị si n'agbụrụ ndị ọzọ abụghị ala Igbo. Aha ndị a gbadokarịrị ụkwụ na nkwenye ndị otu Kristi. Aha ndị ahụ na-ezipụta nkwenye ha nwere na Jesu Kristi, ndị mmụọma na ndị nsọ dị iche iche. Ụfọdụ n'ime aha ndị ahụ bụ Immanuel. Ọ bụ aha na-egosi ọmụmụ Kristi. A na-agụkarị ya one a mụrụ n'ọnwa Disemba, ma ọ bụ onye a mụrụ n'ụbọchị oriri ncheta ọmụmụ Jesu Kristi. Ihe ọ pụtara bụ Dinwenu nọnyeere anyị .

Ọzọ kwa, site na nkwenye nke ha nwere banyere ndị nsọ, ndị Igbo na-agụ ụmụ ha aha ndị nsọ dị iche iche iji mee ka nwata ahụ na-agbaso nzọụkwụ onye nsọ ahụ ọ na-aza aha ya. Ụfọdụ na-emekwa ya ka onye nsọ ahụ na-achekwa nwatakịrị ahụ dị ka nwa aka mkpa ya. Ụfọdụ n'ime aha ndị ahụ bụ Jesinta, Jọn, Pita, Patrik wdg. N'agbanyeghi na aha ndị a abụghị okwu Igbo mewere ha, ha enweela echiche n'obi ndị Igbo n'ihi nkwenye ha nwere.

N'otu aka ahụ, ndị Igbo n'oge a na-eji ụbọchị ndị pụtara ihe n'ime mkpụrụ ụbọchị asaa mewere otu izu n'agụgụ ndị Bekee wee agụ ụmụ ha aha. Nke a gbadokwuaziri ụkwụ na nkwenye ha nwere. Ụfọdụ n'ime ụbọchị ndị ahụ bụ Sọnde, Mọnde, Fraịdee. Sọnde bụ ụbọchi mbụ n'izu; ma bụrụkwa ụbọchị ọgbakọ ekpemekpe ndị otu Kristi. Ọ bụ ụbọchị Jesu Kristi bilitere n'ọnwụ dị ka okwukwe ndị otu Kristi sirị dị. Fraịdee bụ ụbọchị Jesu Kristi nwụrụ n'elu obe iji gbapụta mmadụ na njọ ya. Mọndee bụ ụbọchị ọrụ mbụ n'izu.

Aha ndị a ndị Igbo na-agụ ụmụ ha n'oge a gosiri na e nweela mgbanwo pụtara ihe n'echiche ndị Igbo n'oge ugbu a. Nke a kwere omume n'ihi ekpemekpe ọhụrụ nakwa n'ihi mmekọrịta dị n'etiti ndị Igbo na ndị mba ọzọ.

## Ihe Ndị Mere na Ndụ Mmadụ

Ndị Igbo sị na ọ bụ ihe mere onye ka o ji agụ aha. Ụfọdụ ụmụ nwaanyị n'ala Igbo na-eji ihe ndị mere ha, ọ kachasị n'oge ha dị ime wee agụ nwa ha aha. Ụfọdụ n'ime aha ndị ahụ bụ Chimmụanya, Chizọwa, Chikwado, Ọzọemena, Chukwudị, Ikechuckwu wdg. Aha ndị a nwere ike na-ezipụta nsogbu nwaanyị ahụ ma ọ bụ onye dị mkpa na ndụ ya tupu a mụọ nwata ahụ.

## Ntụcha Nchọpụta

Site na nchọpụta e mere na nchọcha a, o doro anya na aha ndị Igbo anaghị agbado ụkwụ naanị n'echiche agbaelu; kama ọ na-enwe echiche ndịnime. Echiche ndịnime a na-esite na nghọta ndị Igbo nwere gbasara ndụ, ụwa na ihe ndị ọzọ dị n'ime ya. Ihe nke a pụtara bụ na oge metụtara echiche ndị Igbo n'ụzọ pụrụ iche. Ya bụ na ọ bụghị echiche na nghọta ndị Igbo nwere tupu ọbịbịa ndị ọcha n'ala Igbo ka ha nwere taa. Nchọpụta e mere na nchọcha a gosiri na echiche ndịnime n'agụm aha ndị Igbo abụchaghị otu site n'oge ochie ruo n'oge ugbu a. Ntụcha nchọpụta a ga-agbado ụkwụ n'ihe ndị a chọpụtara mgbe a na-eme nchọcha iji wee chọpụta myiri na ndị iche dị n'echiche ndịnime n'agụm aha mmadụ n'ala Igbo n'oge ochie na n'oge ugbu a. Nke a ga-enye aka n'ịghọta etu ihe si kwụrụ n'agụm aha ndị Igbo taa.

## Myiri Dị n'Etiti Echiche Ndịnime n'Agụm aha Mmadụ n'Ala Igbo n'Oge Ochie na n'Oge Ugbu a.

Mgbanwo sitere n'oge metụtara echiche na nghọta ndị Igbo n'ogo dị iche iche. Site na nchọpụta e mere na nchọcha a, echiche na nghọta ndị Igbo n'oge ochie dịwaga iche n'echiche na nghọta ha n'oge ugbu a. Nke a metụtara echiche ndịnime dị n'aha ha na-agụ mmadụ. N'agbanyeghi nke a, e nwegara ebe ha si yite onwe. Nke a pụtara ihe n'ebe ndị a: Nkwenye na ihe ndị mere mmadụ

**Nkwenye**

Ọ bụ eziokwu na e nwere mgbanwo n’ebe ndị Igbo nọ n’ebe o si metụta nkwenye na ekpemekpe site n’oge ochie ruo n’oge ugbu a. Otu ihe pụtara ihe bụ na site na mbido ndụ ndị Igbo ruo ugbu a, ha kwenyere na ọ bụ Chineke bụ Chi kacha chi niile. Nke a na-apụta ihe na-aha ndị dị etu a: Chijindụ, Chukwuma, Chika, Chibụike, Chimmụanya, Chukwuebuka, wdg. Aha ndị a dị n’echiche ndị Igbo site n’oge ochie ruo n’oge ugbu a.

Ọzọ kwa, ndị Igbo na-esite n’aha ha na-agụ egosipụta na ndụ mmadụ ka mkpa karịa akụnaụba nke ụwa. Nke a na-apụta ihe ma n’oge ochie ma n’oge ugbu a. Ụfọdụ aha ndị ahụ bụ Ndụbụisi, Ndụkaakụ wdg.

**Ihe ndị Mere Mmadụ**

Ndị Igbo na-eji ihe ndị mere mmadụ agụ aha site n’oge ochie ruo n’oge ugbu a. Ọ bụ eziokwu na o nwere ndịiche pụtara ihe n’etu ndị Igbo si eji ihe mere ha wee agụ aha n’oge ochie na n’oge ugbu a. Ndịiche ndị ahụ na-egosi ogo echiche ndị Igbo n’oge a na-ekwu maka ya dị. N’agbanyeghi nke a, e nwere myiri pụtara ihe n’etu ndị Igbo si agụ aha iji gosi ihe mere ha n’oge ochie na n’oge ugbu a. Myiri ndị ahụ pụtara ihe n’aha ndị a: Chimmụanya, Chimamanda, Chijioke, Chinwendụ wdg.

**Ndịiche Dị n’Etiti Echiche Ndịnime n’Agụm aha Mmadụ n’Ala Igbo n’Oge Ochie na n’Oge Ugbu a.**

Echiche na nghọta ndị Igbo dị ka o si metụta agụm aha n’oge ochie na n’oge ugbu a abụchaghị otu. O nwere ụfọdụ ebe ha abụọ si dị iche n’ebe onwe ha dị. Ndịiche ndị a gbadokewere ụkwụ n’isiokwu ndị a: Ịgụ oge, Nkwenye, na ihe mere mmadụ.

## Ịgụ oge

A bịa n'echiche ndị Igbo n'oge ochie, ya bụ tupu ọbịbị a ndị ọcha n'ala Igbo, ndị Igbo na-agụ mmadụ aha site n'ihe mere n'otu oge iji hụwa oge a mụrụ nwa ahụ ama. Nke a bụ maka na e nweghi ike idetu ihe n'akwụkwọ n'oge ahụ iji chekwawa ihe ndị mere eme maka ọdịnịhu.

N'aka nke ọzọ, a bịa n'oge ugbu a, malite n'oge ọbịbịa ndị ọcha n'ala Igbo, ọnọdụ ndị Igbo gbanworo nke na ha amarala etu e si ede ihe na etu e si agụ ihe e dere ede. Nke a mere na ndị Igbo anazighi agụ nwata aha iji lota mgbe a mụrụ ya. Ọ bụ eziokwu na ha nwere ike ịgụ nwata aha na-egosi nnukwu ihe merenu; ebumnobi ha abụghị iji gụọ oge a mụrụ nwata ahụ, kama o nwere ike bụrụ iji kwanyere nwata ahụ ugwu ma ọ bụ n'ihi ihe ọzọ.

## Nkwenye

Nkwenye ndị Igbo gbadoro ụkwụ n'ekpemekpe dị iche iche, site n'oge ochie ruo n'oge ugbu a. Nkwenye ndị a nwere mmetụta dị iche iche n'echiche dị n'aha ndị Igbo na-agụ ụmụ ha. Nchọpụta e mere gosiri na nkwenye ndị Igbo n'oge ochie dịwaga iche na nkwenye ha n'oge ugbu a. Tupu ọbịbịa ndị ọcha n'ala Igbo, ndị Igbo gbadoro ụkwụ n'ekpemekpe ọgọ mmụọ (ife arụsị ). Mana ọbịbịa ndị ọcha wetara ekpemekpe ndị otu Kristi. N'ihi ekpemekpe ọhụrụ a, nkwenye ndị Igbo gbanworo nke wetara mgbanwo pụtara ihe n'echiche ha dị ka o si metatụ agụm aha mmadụ. Nke a pụtara ihe n'ụzọ dị iche iche.

N'oge ochie, ndị Igbo na-agụ mmadụ aha arụsị ma ọ bụ ụmụ mmụọ dị iche iche iji gọọrọ nwata ahụ arụsị ma ọ bụ mmụọ ahụ ka ọ na-echedo ya. Nke a bụ ka nkwenye ha si dị. Aha ahụ dị ka Nwammụọ, Nwagwụ, Nwangene, Nwaanyanwụ, Nwaudo wdg. N'aka nke ọzọ, a bịa n'oge ugbu a, n'ihi na ọ bụ ekpemekpe ndị otu Kristi bụzi ihe na-ewu, ụdị aha ahụ adịzighi ewu n'ala Igbo. Ihe na-ewuzi bụ aha ndị gbadoro ụkwụ

n'ekpemekpe ndị otu Kristi. Ụdị aha dị ka: Ụkamaka, Ekpereka, Chigọzie, Ngọzichukwu wdg

N'oge ochie, echiche ndị Igbo gbadoro ụkwụ n'ihe ndị na-eme n'okirikiri ala Igbo. Nke a bụ maka na ekpemekpe dị n'oge ahụ metụtara naanị ala Igbo; o metụtaghị ndị Igbo na ndị mba ọzọ. Nke a mere na aha a na-agụ n'oge ahụ bụ nke metụtara naanị ndị Igbo ma gbadokwuazị ụkwụ n'ihe na-eme naanị n'ala Igbo na n'ekpemekpe ọgọ mmụọ. Ụdị aha dị ka: Alagboo, Enuka, Anyanwụụtụtụ wdg. N'aka nke ọzọ, ọbịbịa ndị ọcha mere ka ndị Igbo na ndị mba ọzọ nwee mmetụta. Nke a mere ka echiche ndị Igbo gbanwoo n'ogo dị iche iche. A bịa n'ekpemekpe, ndị Igbo kwenyere na ndị nsọ dị iche iche. Nke a metụtara echiche ha n'agụm aha. Ụfọdụ na-agụ ụmụ ha aha ndị nsọ dị iche iche. Nke a bụ iji mee ka nwata ahụ na-eṅomi ndụ onye nsọ ahụ biri n'oge ọ nọ n'ụwa; ya na iji gọọrọ nwata ahụ onye nsọ ọ na-aza aha ya ka ọ na-arịọtara ya arịrịọ n'ihu Chineke. Ụfọdụ aha dị ka: Jọn, Pita, Jemis, Marịa, Helin wdg. Ọ bụ eziokwu na aha ndị a abụghị aha Igbo, mana ha enweela echiche dị omimi n'ebe ndị Igbo nọ site na nkwenye ha nwere n'ekpemekpe ha.

N'ịga n'ihu, n'oge ochie, ndị Igbo na-agụ aha na-egosi na ike dị na mmụọ dị iche iche nakwa ihe ndị ọzọ dị iche iche. Ụfọdụ n'ime aha ndị na-ezipụta ihe ndị a bụ Mmụọbuike, Alagbọgụ, Enuka, Ezike. Mana a bịa n'oge ugbu a, echiche ndị Igbo gbanworo n'etu o si metụta agụm aha. Aha ndị ahụ wuru ewu n'oge ochie anazighi ewu n'oge ugbu a. Ekpemekpe dị ugbu a mere ka ndị Igbo gbanwoo echiche ha n'agụm aha. Aha ndị na-ewu ugbu a bụ nke gbadoro ụkwụ na Chineke dị ka Chi kacha chi niile. Nke a na-apụta ihe n'ụfọdụ aha ndị a: Chukwuka, Chukwudị, Onyedịkachukwu, Onyekachukwu, Toochukwu, Chukwubụike, Ngọzichukwu wdg. Ihe mgbanwo a gosiri bụ na aha ndị na-egosi na ike dị n'obere mmụọ dị iche iche jizi nwayọọ ala n'ala Igbo n'ihi ekpemekpe ndị otu Christi bịara were ọnọdụ n'ala Igbo.

## Ihe Ndị Mere Mmadụ

Site n'oge ochie ruo n'oge ugbu a, ndị Igbo na-eji ihe mere ha wee agụ ụmụ ha aha. Mana e nwere ndịiche pụtara ihe n'ụdị aha ndị Igbo na-agụ ụmụ ha n'oge ochie site n'ihe mere ha na nke ha na-agụ ha ụgbu a site n'otu ihe ahụ. Ihe ndị a nwere ike ịbụ ihe ọṅụ ma ọ bụ ihe uru. Ndịiche a gbadoro ụkwụ na ndịiche dị n'echiche na ngọta ndị Igbo n'oge abụọ a.

## Mmechi

Na nchọcha a isiokwu ya bụ Echiche ndịnime n'agụm aha mmadụ n'ala Igbo, nwa nchọcha mejupụtara ebumnobi ya nke bụ ịchọpụta echiche dị omimi dị n'aha ndị Igbo na-agụ mmadụ. A chọpụtara na echiche na-adị n'aha ndị a na-agbado ụkwụ na nghọta ndị Igbo nwere gbasara ụwa, ndụ na ihe ndị ọzọ dị iche iche. Ha gbadoro ụkwụ n'ịgụ oge, nkwenye na ihe ndị mere mmadụ. N'oge ochie, ndị Igbo na-agụ aha iji guọ oge ma cheta oge a mụrụ nwata ahụ; mana n'oge ugbu a, ịgụ aha na-agbadokewe ụkwụ na nkwenye na n'ihe mere mmadụ. Nke a gosiri na echiche na-adị n'aha ndị Igbo na-agụ mmadụ na-agbanwo agbanwo site n'oge.

## Edensibịa:


Caianiello, E. R. (1961). Outline of a theory of thought-process and thinking machines. *Journal of Theoretical Biology 204-235. Retrieved March 10, 2022.*

Eme, C.A. & Nkamigbo, L.C. (2009). "Naijiria: Asụsụ, omenaala na mmepe obodo".*Akwụkwọ a gụrụ na jonal mmụta Igbo, vol.4, No.1*

Emenanjo, E. N.(1991). *Nchụkọta asụsụ na ụtọasụsụ Igbo izugbe.* Ikeja: Longman Nig. LTD.

Janoff-Bulman, R. (1992). *Shattered assumptions: Towards a new psychology of trauma.* New York: Free Press.

Nwadike, I. U. (2002). *Igbo language in education: A*

*historical study.* Obosi: Pacific Correspondence College and Press.

Ochanya, R. (2017). Onicha Ado n'idu; naming rites and traditions of the Igbo of Nigeria. *The Guardian News Paper, 24th Septemer, 2017*

Ogwudile, S. (2003). *Power and might in names (a reflection)*. Enugu:Rojoint Communication Services.

Onwujeogwu, M.A. (1981). *An Igbo civilization: Nri kingdom and hegemony.* London: Ethiope Publishing Company

Park, C. I. (2010). Making sense of the meaning literature: an integrated review of meaning making and its effects on adjustment to stressful life events. *Psychological Bulletin, 136 (2), 257-301.*

Pinker, S. (2008). *The stuf of thought: Language as a window into human nature*. New York: Pengium Books.

Ugochukwu,C. N. (2019). Asụsụ na mmepe obodo: Ka o si metụta ala Igbo. *Odezuruigbo (An international journal of Igbo African and Asian Studies) Vol.3 No.1, Pp. 12-23*

Umezi, P. I. (2017). Nnwemagba asụsụ nye echiche na nsirihụ ndị Igbo. *Ekwe Jonal. Vol. 4 No.2 September 2017. Pp. 97-105*

Umezi, P. I. (2021).Azụmahịa na Naịjiria na ọnọdụ asụsụ Igbo na senturi nke iri abụọ na otu. *Sapientia Global Journal of Arts, Humanities and Developments Studies (SGOJAHIDS) Vol.4 N0.2 June, 2021, pp.34-46.*

Wong, P. T. P. (2012b). Towards a dual-systems model of what makes life worth living. In P. T. P. Wong (Ed.). *The Human ọuest for meaning: theories, research, and applications. (2nd Edition) pp 3-22.* New York: Rotuledge.